# NDOZI NKE PỌL DOZIRI ỌTỤTỤ AGAZIGHỊAGAZI NA KỌRINT

**I Ndi Kọrint 12:1-31; 14:1-40**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 392**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ka eme ihe nile ka ewe wuli madu nile elu dika ulo" (I Ndi Kọrint 14:26).**

**I Idebe Nrianyasị nke Onyenweanyị**

1 Àghárá na emeghị ihe n'usoro n'oge Nrianyasị nke Onyenweanyị ka aga akwụsị, I Ndi Kọrint 11:18-22.

**II Onyinye dị Icheiche nke Mmụọ Nsọ Nime Arụ nke Kraist**

1 Enwere onyinyeamara dị icheiche, ma anaenye ha niile site n'aka Mmụọ Nsọ, I Ndi Kọrint 12:1-11; Ndi Efesọs 4:11-13; Ndi Rom 12:3-8.

2 Enwere ọtụtụ ihe dị n'arụ nke Kraist, ha niile n'otù n'otù dị mkpà nwee kwa ọlụ ha naalụ, I Ndi Kọrint 12:12-31.

**III Asụsụ dị Icheiche na Ibuamụma nime Nzukọ Kraist**

1 Pọl dụrụ Nzukọ Kraist ọdụ banyere onyinyeamara nke ikwuokwu náasụsụ dị icheiche, I Ndi Kọrint 14:1-28.

2 Ibụamụma dị mma karịa iji asụsụ dị icheiche ekwuokwu, I Ndi Kọrint 14:24, 25.

3 Ndị náebu amụma gaeme ya n'usoro, ma ka ha ghara iweta ọgbaaghara, I Ndi Kọrint 14:26-33, 36-40.

4 Agaghị ekwe ka ndịnyom gbochie ọgan'iru nke nzukọ ahu, I Ndi Kọrint 14:34, 35.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Nrianyasị nke Onyenweanyị**

Na Kọrint, amalitere omume nke iricha nrianyasị tupu emee ememe nke Nrianyasị nke Onyenweanyị, ịnyawa achịchị dịka Jisọs na ndị náesoụzọ Ya mere. Nke a wetara agazighịagazi nke mere na ndị mmadụ malitere ịghọ ndị ókéoriri n'oge nrianyasị ndịa. N'ezie, udị ihe dị otú a ekwesịghị ịga n'iru n'ụlọ Chineke. Ọ bụ nnọọ omume nke enweghị nsọpụrụ n'ebe ihe nke Chineke dị karịsịa mgbe anaeme ya tupu emee ememe ahụ nke iji cheta àjà ahụ nke Kraist chụrụ maka mgbaghara nke mmehie niile dị otú a.

Pọl nyere iwu na ha ganaeri nri n'ụlọ ka ọ gaabụ mgbe ha gbakọrọ ime ememe nke Nrianyasị nke Onyenweanyị ka ha wee debe obi ha n'ịdịnsọ nke ememe ahụ n'obi ha. Mgbe Jisọs malitere Nrianyasị nke Onyenweanyị, Ọ sịrị, "N'ihi na mgbe ọ bula unu nēri achicha nka, nāñu kwa iko ahụ, unu nēkwusa ọnwu Onye-nwe-ayi rue mgbe Ọ gābia" (I Ndi Kọrint 11:26). Ọ bụ oge nke iji tụgharịa uche banyere àjà ahụ dị ebube nke Onyenweanyị chụrụ n'ihi anyị, ịdị ókéọnụ nke Ọbara ahụ nke awụsịrị n'ihi mgbaghara nke mmehie anyi niile. N'otù oge ahụ anyị ganaele kwa anya maka ọbịbịa Ya, wee dozie obi anyi maka ihe ukwu ahụ nke gaje ime. Pọl dọrọakanántị na ọ bụrụ na ụmụmmadụ añụọ n'iko nke Onyenweanyi mgbe ha náekwesịghịekwesị -- mgbe mmehie dị n'obi ha -- ha naeri náañụ kwa amamikpé nye onweha. Ọtụtụ mmadụ nime Nzukọ nke Kraist adịghị ike n'okwukwe ha, náarịa kwa ọrịa n'anụarụ ha n'ihi na ikpé nke isoro rie mgbe ha náekwesịghị mara ha.

Mgbe anyị naeso n'ihe ncheta ahụ nke Nrianyasị nke Onyenweanyi na ịtule ihe banyere Arụ na Ọbara nke Jisọs site na ha, anyi naenweta ike nime mmụọ na náanụarụ. Ọtụtụ mmadụ ka agwọworo ihe mgbu nke arụ dị icheiche mgbe ha naesoro n'iri Nrianyasị nke Onyenweanyi, mgbe ha naatụle ihe Ọbara Jisọs pụtaara ha. Ọbara nke Jisọs zụtara mgbapụta anyi, mee kwa ka obi anyị dị ọcha, ma nye

kwa anyị ọgwụgwọ. “Ya onwe-ya bu onye amapúworo site ná njehie nile nke ayị, onye azọpịaworo site n’ajọ omume nile nke anyi: ahuhu-nmehie nke udo-ayi di n’aru ya, ọ bu kwa ubiri-utari-ya ka ejiri me ka aru-ayi di ike” (Aisaia 53:5). Ngọzi ndịa niile pụrụ ịbụ nke anyi ma ọ bụrụ na anyi abịakwute Onyenweanyi site n’ụzọ nkeYa.

### Ihe dị N’arụ Kraist

Enweworị esemokwu nime nzukọ Kraist nke dị na Kọrint banyere mkpà ọkwá di icheiche dị, ma Pọl gbalịrị igosi ha na onye ọ bụla nwere ọlụ nke ya onweya gaalụ; na ọ bụrụ na o kwesị ntụkwasịobi na ya, na ọ gaanata okpueze nke ndụ. “N’ihi na anēsite n’aka Mọ Nsọ nye otù onye okwu amamihe; anēnye kwa onye ọzọ okwu ọmuma, dika Mọ ahu; nye kwa onye ọzọ onyinye-amara nile ime ka aru madu di ike, nime otù Mọ nka” (I Ndi Korint 12:8,9). Akpọkwara onyinyeamara na ijéozi ndịọzọ dị icheiche aha, ma ha niile ganaalụọlụ site n’otù Mmụọ ahụ, náekenye mmadụ niile òkè dịka Mmụọ ahụ si chọọ.

Pọl jiri ọlụ dị icheiche nke ihe dị n’arụ mmadụ náalụ kọwa ọlụ dị icheiche nke dịrị ndị ahụ bụ ihe nke dị n’arụ Kraist. Ma anyi bụ ndị Juu maọbụ ndị Mbaọzọ, ma anyi bụ ndị maara akwụkwọ maọbụ ndị náamaghị, ma anyị bụ ndị dị ike maọbụ na anyị bụ ndị náadịghịike n’anụarụ, náagbanyeghị ihe bụ omume anyị maọbụ akparamaàgwà anyi, mgbe amụbatara anyị nime èzínaụlọ nke Chineke, wụọ kwa anyị mmiri site n’otù Mmụọ ahụ, enwereike iji anyị jéé ozi n’otù ụzọ maọbụ n’ụzọọzọ n’otuto nke Chineke. Chineke nwere ọlụ nye onye ọ bụla ịlụ; ma ọ bụrụ na mmadụ ahụ ekwesị ntụkwasịobi n’ọlụ ahụ ọ gaanata ụgwọọlụ ya.

Chineke adịghị arọpụta mmadụ ịlụọlụ Ya dịka ụmụmmadu pụrụ isi rọpụta. Ọ dịghị ele ihe anya naahụ́, kama ọ naele n’obi. “Ọ bu ihe nzuzu nke uwa ka Chineke rọputara, ka O we me ka ihere mee ndi mara ihe; ọ bu kwa ihe nādigh ike nke uwa ka Chineke rọputara, ka O we me ka ihere me ihe di ike; … ka anu-aru nile bú madu, we ghara inya-isi n’iru Chineke” (I Ndi Kọrint 1:27, 29).

Ọ bụrụ na ndị niile náekwu na ha naalụrụ Onyenweanyị ọlụ gaalụ ya náánị ka ewee nye Chineke otuto, agaghị enwe nkewa dị icheiche ná nzukọ Kraist. Ọ dịghị onye ọ bụla ganaagbalị inweta ọkwá dị elu karịa ibe ya. Site n’inwe ibuarọ n’obi ya maka nzọpụta nke ndịọzọ, ọ gaghị enwe ohere ichè ọbụná ihe banyere onweya, ka ọ fọdụkwa ibuli onweya elu. “Otú a unu onwe-unu kwa, ebe unu bu ndi nēwere obi nānu ọku chọ onyinye nile nke Mọ Nsọ, nāchọnu ka unu we babiga okè nime ha, ka ewe wuli nzukọ Kraist elu dịka ulo.” Ka Chineke nyere anyị aka ime ihe niile nke anyị naeme náánị ka ewee wulie Alaeze nke Kraist elu!

### Iji Asụsụ dị Icheiche Kwueokwu

Otù nime onyinyeamara nke Mmụọ Nsọ nye Nzukọ Kraist bụ onyninye nke iji asụsụ dị icheiche kwueokwu. Ngosipụta dị otú a nke Mmụọ Chineke bụ ike nke onye ahụ nke natara ya nwere iji kwueokwu n’otù asụsụ maọbụ n’ọtụtụ asụsụ pụtara ịhè, nke ndịọzọ maara ma náaghọta kwa nkeọma, ọ bụghị asusụ efu nke náenweghị ihe ọ pụtara. Pọl naekwu site n’akwụkwọ Aisaia mgbe ọ sịrị: “M’gēji madu ndi nāsu asusu di iche, ji kwa egbugbere-ọnu nke ndi di iche, gwa ndi nka okwu; ma ọbụná otú a ha agagh anu olum ka Onye-nwe-ayi kwuru” (I Ndi Kọrint 14:21). Ụmụmmadụ ndị náachọghị eziokwu nke ngosipụta dị iche nke karịrị ihe mmadụ pụrụ ime.

### Iheàmà Nke Ọwụwụmmiri Nke Mmụọ Nsọ

Onyinyeamara nke ịsụasụsụ dị icheiche site n’ihe ịgbaàmà nke Mmụọ Nsọ naenye site n’Ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ. Mgbe ejiri Ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ mejue onye edoro nsọ, Mmụọ ahụ náagbaàmà site n’iji asụsụ dị iche náekwuokwu nime onye ahụ, dịka ọ dị n’ụbọchị Pentikọst, mgbe mmadụ 120 ahụ n’imeụlọ Elu natara Ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ, “we malite ikwu okwu n’asusu di iche dika Mọ ahu nēnye ha ike ikwuwa okwu” (Ọlu Ndi-ozi 2:4). Ma ọ bụghị náánị n’ebe mmadụ 120 ahụ nọ ka ọ kwụsịrị emekwara ka ndị ahụ kwereekwe n’ụlọ Kọnelius nata Ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ mgbe arọ asatọ gasịrị. Ndị náesoụzọ Jisọs matara na ha onweha anatawo kwa Ọwụwụmmiri ahụ, “N’ihi na ha nānu Ka ha nēkwu okwu n’asusu ọzọ di iche iche nēme kwa ka Chineke di uku” (Ọlu Ndi-ozi 10:46). Ọzọ kwa, mgbe arọ 23 gasịrị, mgbe Pọl nọ n’Efesọs, Mmụọ Nsọ bịakwasịrị igwè mmadụị ụfọdụ, “ha we kwue okwu n’asusu di iche iche ọzọ, bu kwa amuma” (Ọlu Ndi-

ozi 19:6). Nke a abụghị onyinyeamara nke ikwuokwu n'asụsụ dị icheiche, kama ọ bụ ihe ịgbáàmà nke mmeju nke Mmụọ Nsọ. O nwere ike bụrụ na ha ekwughị kwa okwu n'asụsụ dị icheiche ọzọ, maọbụ o nwere ike bụrụ kwa náání n'oge ụfọdụ mgbe Chineke gọziri ha n'ụzọ purụ iche n'ekpere.

### Ikwuokwu N'ihi Otuto nke Chineke

Ndị nọ ná nzukọ Kraist nke dị na Kọrint naemebiga omume nke ịsụasụsụ dị icheiche ókè bụ nke Chineke nyeworo ha, Pọl wee baara ha mbá n'ihi enweghị amamihe na nghọta n'ihe banyere okwu a. Pọl wee náakọwa na ọ bụrụ na ndị náamaghị akwụkwọ abata n'ọgbakọ ha ma ha apụghị ịghọta ihe ha náekwu, ha gaechè na mmadụ niile nọ n'ọgbakọ ahụ bụ ndịarà. Ọ gaabụworị ihe dị mma karịa ikwupụta ihe niile nke Chineke meere ha n'ụzọ mmadụ niile pụrụ ịghọta. Enwere ike ime ka onye mmehie kwenye ma ọ bụrụ na ọ pụrụ ịghọta ịhụn'anya nke Kraist n'ebe ọ nọ na ike nke dị n'Ọbara Jisọs ịgbapụta ya site ná mmehie. Ọ bụrụ na mmadụ enye ihe ịgbaàmà ya n'ụzọ ọ gaenye Chineke otuto, náeme ka onyemmehie kwenye n'eziokwu nke Okwu Chineke. Abụ̀ nke abụrụ site n'otite nke Mmụọ Nsọ nime onye ahụ nke náabụ ya gaeme kwa ka onye mmehie kwenye. Ma ihe ọ bụla nke anaeme n'òfùfè nke ọrammadụ aghaghị ịbụ ihe agaeme n'usoro na n'ụzọ dị mma n'anya, ma ọ bụrụ na anaachọ ka ọ tụkwasị ihe n'otuto nke Chineke. "N'ihi na Chineke abugh Chineke nke aghara, kama Ọ bu Chineke nke udo, otú ọ di nime nzukọ nile nke ndi nsọ."

### Asụsụ Ụgha Dị Icheiche

Ewetaworo Oziọma nke Jisọs Kraist ihe ịtaụta dị icheiche nke náekwesịghịekwesị n'ihi ọchịchọ nke mmadụ ụfọdụ igosipụta otú ha si dị ike n'ihe nke imemmụọ site n'ikwuokwu n'asụsụ dị icheiche. Ndụ dị nsọ, nke enyefere n'ijéozi nke Chineke, bụ ihe mbụ dị mkpà; Mmụọ Nsọ Chineke agaghị esi n'ụzọ ọzọ kwueokwu. Ọ bụrụ na mmadụ adịghị ebi ndụ dị nsọ, ma náadabere ná ngosipụta dị icheiche nke karịrị ihe mmadụ pụrụ ime dịka ihe ọ̀tụ̀tụ̀ nke nguzo nke imemmụọ ya, ọ naeduhie onweya. " n'ihi na ha anaragh ihu-n'anya nke ezi-okwu nke-ọma, ka ewe zọputa ha. N'ihi nka Chineke nēzite-kwa-ra ha ilusi-ọlu-ike nke njehie, ka ha kwere ugha ahu: ka ewe kpe ha nile ikpé bú ndi nēkwegh ezi-okwu, kama ajọ omume diri ha ezi nma" (2 Ndi Tesalọnaika 2:10-12).

Mmụọ nke Chineke na Okwu Ya naekwekọrịta, Jọn Onyeozi sịrị: "Unu ekwela okwu mọ nile, kama nwaputanu ndi-mọ ahu, ma ha bu ndi siri na Chineke puta" (I Jọn 4:1). Baịbụl bụ okwu ikpéazụ nke Chineke nyere mmadụ, Ọ gaghị kwa enye mkpughe ọhụụ dị icheiche nke gaemegide okwu ahụ. Chineke apụghị ikwenyere mmehie n'ụdị ọ bụla, ma onye ọ bụla agaghị ahụ́ Chineke anya ma ọ bụrụ na ọ dịghị nsọ (Ndi Hibru 12:14).

### Ndị nyom Náekwusa Oziọma

N'ebe ọgụgụ nke iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị, anyị gụrụ: "Ka ndinyom-unu kpuchie ọnu-ha nime nzukọ-unu: n'ihi na ekwegh ha ka ha kwue okwu; kama ka ha do onwe-ha n'okpuru ike, dika iwu Chineke nēkwu kwa. Ọ buru kwa na ha nāchọ imuta ihe ọ bula, ka ha jua di nke aka ha n'ulo: n'ihi na ọ bu ihe ihere ka nwayi kwue okwu nime nzukọ Kraist." Ọtụtụ mmadụ esitewo na nke a kwue na ọ bụ ihe megidere Okwu Chineke ikwe ka ndịnyom gbaa àmà, kuzie ihe, kwueokwu Chineke maọbụ jide ọkwá ọ bụla nime nzukọ Kraist. Otú ọ dị, ebe ọgụgụ ndịọzọ nime akwụkwọnsọ ewepụtaghị àtụ̀mààtụ̀ a. Pọl náenye ndị Kọrint ndụmọdụ banyere emeghị ihe n'usoro na ọgbaaghara nke dị ná nzukọ Kraist, náagbaghịagụgọ ọ bụ kwa site n'otù ihe ahụ ka o ji nye ndịnyom iwu ka ha ghara ikwuokwu bụ ndị ahụ náakpata ọgbaaghara n'ikwuokwu na n'ịjụ kwa ajụjụ dị icheiche.

Mgbe ọ naekwuokwu n'ihe banyere isiokwu a na I Timọti 2:12, ọ dịghị ekwu ihe banyere ndịnyom ahụ bụ́ ndị Chineke kpọrọ, kama nye ndị ahụ ndị "ji anya ike rọrọ ọnọdu ichi-isi" wee malite ọlụ ha náanataghị ọkpụkpọòkù nke sitere na Chineke. Otú ọ dị, Pọl agaghị ekwe ka ndị dị otú a kuzie ihe; ma ọ dịghị onye gaemeworị ngwangwa karịa Pọl ịmata na ịnabata onye Chineke kpọrọòkù n'ijéozi, maọbụ nwoke maọbụ nwanyị.

Pọl kwuruokwu banyere ndị awụrụ Mmiri ịba nime Kraist, "Onye Ju ma-ọbu onye Grik apugh idi, orù ma-ọbu onye nwe onwe-ya apugh idi, **nwoke** na **nwayi** apugh idi: n'ihi na unu onwe-unu nile bu otù onye nime Kraist Jisus" (Ndi Galetia 3:28). Priscilla na di ya bụ́ Akwila yikọrọ n'ịlụọlụ nke Oziọma,

Pọl nabatara ihe banyere ijéozi ya, n'ihi na o dere n'akwụkwọ Ndi Rom sị, "Kelenu Priscilla na Akwila ndi mu na ha nālukọ ọlu nime Kraist Jisus (Ndi Rom 16:3).

N'ụbọchị Pentikọst ndịnyom so nime mmadụ 120 ndị nọ nime n'imeụlọ elu ahụ (Ọlu Ndi-ozi 1:14), ma "Ha nile we juputa na Mọ Nsọ, ha we malite ikwu okwu n'asusu di iche iche, dika Mọ ahu nēnye ha ike ikwuwa okwu." Pita sịrị: "Nka bu nke ekwuworo site n'ọnu Joel onye amuma; si, o gēru kwa na mgbe ikpe-azu, ka Chineke kwuru, M'gāwusa ufọdu nime Mọm n'aru anu-aru nile, bú madu: umu-unu ndikom na umu-unu **ndinyom** gēbu kwa amuma, …. n'aru ndi-orùm ndikom na n'aru ndi **orùm ndinyom** ka M'gāwusa ufọdu nime Mọ nkem na mgbe ahu; ha gēbu kwa amuma" (Ọlu Ndi-ozi 2:1-18). Ọ bụ ihe pụtara ìhè site n'ebe ọgụgụ Anawụkwasị onyinyeamara na ọkpụkpọòkù Ya dị icheiche ná ndị ahụ nke Ọ pụrụ ịtụkwasịobi, ma hà bụ ndịkom maọbụ ndịnyom.

Mgbe ọ bụla enyere Mmụọ nke Chineke ọchịchị nime obi mmadụ maọbụ ná nzukọ Kraist, nkewa maọbụ esemokwu dị icheiche agaghị adị. Mgbe Mmụọ Chineke naedu, anaenwe nkwekọrịta na ịdị n'otù nke okwukwe, Chineke pụrụ ịlụọlụ n'ihi nzọpụta nke ọtụtụ mkpụrụobi na iwulite Alaeze Ya elu dịka ụlọ.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1 Gịnị bụ ihe Ndị Kọrint náeme nke náadịghị mma mgbe ha naeri Nrianyasị nke Onyenweanyị?

2 Gịnị bụ ndụmọdụ nke Pọl nyere ha banyere omume ọjọọ ha nke ha naeme ná Nrianyasị nke Onyenweanyị?

3 Kpọọ aha ụfọdụ nime onyinyeamara nke Mmụọ Nsọ.

4 Òlee otú Pọl siri kọwaa ọnọdụ dị icheiche nke onye ọ bụla nwere nime arụ nke Kraist?

5 Gịnị bụ onyinye nke ikwuokwu n'asụsụ dị icheiche?

6 Òlee otú onyinye nke ịsụasụsụ siri dị iche n'ọgbụgbaàmà nke ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ?

7 Gịnị ka Pọl kwuru banyere ikwuokwu n'asụsụ dị icheiche nime nzukọ Kraist?

8 Gịnị mere Pọl jiri gbochie ndịnyom ikwuokwu nime nzukọ Kraist?

9 Kpọọ aha ebeọgụgụ dị icheiche nime akwụkwọnsọ nke náegosi na Chineke náete ndịnyom mmanụ ịlụọlụ nime nzukọ Kraist.